# NKWABANYE N'ALỤMDI NA NWUNYE NA NSOGBU DỊ NA YA, DỊKA A HỤRỤ N'AKWỤKWỌ AGỤMAGỤ IGBO NDỊ A HỌỌRỌ

**BASILIA NKECHINYERE EWEOMA (Ph.D)**
eweomabasil2@gmail.com
**08037341627**

## Ụmịedemede

Alụmdi na nwunye bụ ihe zuru ụwa niile ọnụ ebe nwoke na nwaanyị hụrụ onwe ha n'anya na-ekwekọrịta ka ha bụrụ otu site na nkwado ndi ezinaụlọ ha. Dịka ọ dị taa, oke ọchịchọ nakwa akpịrị ogologo emeela ka ndị mụrụ ụmụ kwabanye ụmụ ha n'ọlụlụ di nke na-ewetara ha nsogbu dị iche iche. Nkwabanye n'alụmdi na nwunye bụ nke a na-amanye mmadụ amanye ịlụ onye o nweghị mmasị na ya. A na-ejikarị oluike, iyiegwu nakwa nkwụ̀kwụ̀ eme n'achọghị ịma ọghọm na-esi na ya apụta. Ọ bụ nke a kpaliri mmụọ onye nchọcha a nke ebumnuche ya bụ ịchọpụta ma ọ bụ eziokwu na nsogbu na-adị n'alụmdi na nwunye a kwabanyere mmadụ ịlụ. Ọ ga-achọpụtakwa isi sekpụ ntị na ya, nsọtụ ya nakwa ihe e nwere ike ime iji gbochie nsogbu ndị ahụ. Ọ bụ Agụmagụ Igbo atọ ka a gbadoro ụkwụ mee nchọcha a. Ha bụ: *Ụkpaka Mịịrị Onye Ụbịam* nke Ubesie (1981), *Akpịrị Richie Ụzọ* nke Obidiebube (2009) nakwa *Adaakụ* nke Mọgbọgụ (2011) dere. E sikwa n'ajụjụ ọnụ, n'ọba akwụkwọ nakwa n'ịntaneetị nweta ihe ndị nyere aka e ji dee edemede a. Ọ bụ usoro nke Sọvee Nchọcha nke Ezinaụlọ dị ugbu a nakwa nke Agụmagụ (*Survey research approach of contemporary Families (*Tourangeau 2009), ka a gbasoro mee nchọcha a. Ọ bụ Atụtụ Soshiọlọji nke alụmalụ nakwa agụmagụ nke Barnes na Howard (1940:329-430) ka a gbasoro mee nchọcha a. N'eziokwu, nchọcha a gbara n'anwụ nsogbu ọ na-eweta ndị gụnyere, mkpọrọmaasị, anyaukwu, enweghị afọ ojuju, ịgba n'ezi, ọnwụ nakwa ndị ọzọ. Ọ bụ ndị nne na nna bụ isi sekpụ ntị na nsogbu ndị ahụ, ebe nsọtụ ya na-abụkarị ọnwụ ike, mmebọ/mmetọ nakwa ịgba alụkwaghịm. A chịkọtara edemede a site n'inye ntụziaka ka ndị nne na nna kwụsị ịkwabanye ụmụ ha n'ịlụ onye na-abụghị obi ha kama ka a hapụ ha ka ha jiri aka ha chọta onye dị ha mma maka na Igbo sị na mmiri nwata kwọsara onwe ya n'oge ụgụrụ anaghị atụ ya oyi

## Mmalite

Ọ bụ site n'agụmagụ ka e si amata ihe na-eme na ndụ mmadụ nakwa ihe ndị gbara ha gburugburu na-apụta ihe n'ụzọ akụkọ, ejije na abụ. Nwadike (1992), n'uche ya kọwara agụmagụ dịka nzimozi maọbụ echiche mmadụ chepụtara n'ichemi echiche ime site n'ihe ọ maara maọbụ ihe ọ na-eche gbasatara ndụ ma werekwa asụsụ maọbụ okwu nka nke a pịrị aka were depụta maọbụ kwupụta ya n'ụdị ejije, akụkọ/iduuazị maọbụ abụ, iji zipụta ihe dị icheiche gbasara ndụ na ụwa mmadụ bi n'ime ya. Agụmagụ, dịka enyo e ji ahụ ihe na-eme n'ụwa anyị bi n'ime ya enweela ọtụtụ akwụkwọ agụmagụ ederede n'ala anyị ndị na-enye aka ime ka anyị mata onwe anyị. N'ime obodo anyị taa,ndị mmadụ na-eme ọtụtụ ihe iji mezuo ma nwee afọ ojuju n'ebe ọchịchọ nke onwe ha nọ nke otu n'ime ha bụ ọlụlụ di na nwunye.

Ọlụlụ di na nwunye bụ ijikọ ọnụ nke nwoke na nwaanyị n'ụzọ iwu kwadoro ka ha bụrụ di na nwunye nke ebumnuche ya bụ ịmụta ụmụ. Nke a ka Lasiende (2019:27) kwadosiri ike ma gbakwụnye site n'uche obi na alụmdinanwunye ga-eji agbamakwụkwọ amalite. Alụmdinanwunye nozu mpaghara ụwa niile n'agbanyeghị etu obodo ọbụla si eme nke ha, ịhụnanya ga-abụrịrị isi sekpụ ntị na nke ọbụla.

Alụmdinanwunye nke ịhụnanya na-adịghị na ya, nsogbu dị icheiche na-apụta n'ime ya. Ọ bụ n'alụmdi nke ndị na-ahụrịta onwe ha na-ejighị obi ha kwekọrịta ka nsogbu na esemokwu na-ese n'elu. Nke a bụ ihe ịkwabanye mmadụ n'ọlụlụ di na nwunye na-eweta.

Nkwabanye n'ọlụlụ di bụ nke na-apụta ihe mgbe ndị na-akwado ma na-ahazi ya na-agaghị achọ ịma nkwenye nke onye a na-amanye na ihe ga-apụta n'ime ya ma jiri oke mba na nkwụkwụ̀ manye ya iji nweta ebumnuche ha. Ọ bụ alụmdinanwunye nke otu onye n'ime ha na-ejighị obi ya nabata. Ọzọ, ọ bụkwa mgbe otu onye maọbụ ha abụọ na-ekwenyeghị maọbụ nabata alụmdi ha.

Tew (2012:18) kọwara nkwabanye n'ọlụlụ di dịka ụdị alụmdinanwunye a manyere otu n'ime ha amanye nke ọ na-enweghị mmasị na ya bụkwa nke e jiri iyiegwu nakwa anyaike mee onye ahụ. Ọnọdụ dị otu a na-egbochi mmadụ nnwereonwe iji lụọ di maọbụ ịnọrọ onwe ya maọbụkwa iji aka ya họrọ onye dị ya mma.

Nkwabanye n'alụmdinanwunye bụ nke ndị nne na nna maọbụ ikwu na-ahaziri ụmụ ha ma kwanye ha na ya. A na-enweta ọtụtụ nsogbu na-apụta n'ime ya nke ihe na-akpatakarị ya bụ mkpọrọmaasị, anyaukwu, okomoko, enweghị afọ ojuju n'ebe ihe e nwere dị, enweghị ịhụnanya nakwa akpịrị ego, nke ndị mụ nwa maọbụ ndị nlekọta nwa na-enwe. Aghara maọbụ Aghakakamba dịka Akponye (2014) kpọrọ ya bụ ihe a na-ahụta n'ezinaụlọ ahụ n'ụzọ okwuọnụ, iwe na ọnụma maọbụkwanụ ọgụ ọgụ. Ọ na-abụka ụmụaka ụmụnwaanyị ndị asapechabeghị anya ka a na-akwanyekarị n'ụdị alụmdinanwunye dị otu a.

Nsogbu ndị ahụ bụ nke na-eweta ọbara mgbalielu, ọgụ na mgba, ịgba n'ezi, mkpọrọmasị, ọnwụ ike, ịgba alụkwaghịm na ndị ọzọ. Ihe ndị a na-apụta ihe n'agụmagụ, ederede dịka a rụtụchara ha aka n'akwụkwọ atọ ndị e jiri mee nchọcha: *Ụkpaka Mịịrị Onye Ụbịam, Akpịrị Richie Ụzọ* na *Adaakụ*.

Ọ bụ Atụtụ Soshiọlọji nke Alụmalụ nakwa agụmagụ nke Barnes na Howard (1940:329-430) ka a gbasoro mee nchọcha a. Site n'aka ndị wepụtara atụtụ a, ha kwenyere ka a na-enwe mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya nke nwere ike iduba ha n'alụmdinanwunye. Ha kọwara na ọtụtụ agwa ndị mmadụ na-akpa site n'ihe ha na-ahụta na gburugburu ha nakwa etu ha si eso ya bụcha ihe ha mụtara oge ha na-emekọrịta ma na-agakọrịta n'etiti onwe ha nke e nwere ike idepụta n'akwụkwọ.

Ebumnuche nchọcha a bụ ịchọpụta isi sekpụ ntị na nsogbu ndị ahụ na-adị n'alụmdinanwunye a kwanyere akwanye nakwa nsọtụ ya ma nyekwa ntụziaka ga-enye aka gbochie ha.

Nchọcha a gbakwasịrị ụkwụ n'akwụkwọ agụmagụ Igbo atọ ndị a họọrọ: *Ụkpaka Mịịrị Onye Ụbịam* (1989), *Akpịrị Richie Ụzọ* (2009) nakwa *Adaakụ* (2011) iji chọpụta nsogbu ndị ahụ na-apụta ihe n'ụlụmdinanwunye a kwabanyere akwabanye.

Ọ bụ usoro nke Sọvee Nchọcha nke Ezinaụlọ dị ugbua (*Survey Research Approach of Contemporary Families (*Tourangeau 2009). Usoro a lebara anya etu ezinaụlọ ha, afọ ole e hiwere ya, agbụrụ ya, ndị mejupụtara ya, etu mkpebi nne na nna si metụta ndụ ụmụaka ha, ọnọdụ alụmdi nke ụmụ ha na ndị ọgbọ ha, tinyere nwata ịlụ okenye nakwa ihe ndị ga-apụta n'ime ya.

**Ntụleghari̇ Agụmagụ**

Alụmdinanwunye bụ ihe zuru ụwa ọnụ. Hornby (1974) na Procter (1978) kwenyere na ọlụlụ di na nwunye bụ njikọ nke nwoke na nwaanyị nke a na-eme n'ụzọ iwu kwadoro ma e mesịa ihe omenala iji mee ka ha zuo oke dịka di na nwunye. Ọ bụ nke a kwadoro site na mmalite nke ụwa na nwoke ga-ahapụ nne na nna ya ga rapara n'ahụ nwunye ya ha abụọ abụrụ otu dịka ọ dị na Jenesisi 2:24, Oziọma Matiu 19:5-6, Mak 10:7-8.

Na nkọwa nke ya, Ekwealo (1998) hụtara alụmalụ dịka njikọ nwoke na nwaanyị dịka di na nwunye n'usoro omenala nke ga-eme ka ụmụ ha ga-amụta bụrụ ụmụ ziri ezi n'anya ndị mmadụ ma bụrụkwa oke dị n'alụmalụ.

Uzochukwu (1990) chọpụtara na ihe na-eweta ọdachi na ndụ mmadụ ụfọdụ na-abụkarị ntụpọ dị n'akparamagwa ha nke nwere ike ịbụ oke ọchịchọ, oke anyaukwu, nganga na arụrụala. Nsogbu na-apụta n'etiti di na nwunye n'ihi nghọtahie ma mee ka enweghị udo nakwa ezi ịhụnanya bata. Udo bụ ọnọdụ ịnagide mmadụ n'agbanyeghị ihe ọjọọ maọbụ agwa ọjọọ nke o mere.

Procter (1978:799), kọwara udo dịka ọnọdụ nke na-enweghị esemokwu maọbụ ọgụ n'ime ya, ọnọdụ nkwenyere maọbụ nkwekọrịta na ịhụnanya n'etiti ndị bịakọtara ọnụ maọbụ na-arụkọ ọrụ ọnụ n'otu ebe. Ọ gbakwụnyekwara sị na ezinaụlọ ọbụla di na nwunye na-ese okwu maọbụ na-enwe nghọtahie, enweghị onye ga-enwe aṅụrị maọbụ obi ụtọ, umeiruala maọbụkwanụ hie ụra nkeọma. Nsogbu dị otu a nakwa ndị ọzọ juru eju ma bara abara n'ọlụlụ di na nwunye nke ndị nne na nna kwabanyere ụmụ ha n'ime ya.

Heinonen (2002) na Bendris (2008) kwuru na nkwanbanye n'alụmdinanwunye na-adị ire mgbe ndị na-akwanye mmadụ jiri oluike na mba, ntimiiwu na iyiegwu kwabanye onye ahụ na di, na-achọghị ịma ihe onye ahụ ga-agabiga n'ime ya, naanị ka ha wee nweta ọchịchọ nke obi ha. Ọ sịkwa na nsọtụ ya na-abụkarị ọgbaaghara, ọnwụ nakwa ịgba alụkwaghịm. Ọ bụ nke a ka atụtụ a gbasooro e ji mee nchọcha a bụ ndị otu *Sociologists* jiri kpọọ ọnọdụ dị otu a *Sociological Violence*

Bendris (2008) gara n'ihu chọpụtakwa na ọ bụ ndị nne na nna na-eji aka ha ahaziri ụmụ ha ọlụlụ di na nwunye ma kwabanye ha na ya, ma ha chọrọ ma ha achọghị. Ọnọdụ ụfọdụ na-eme ka nke a dị ire. Ụfọdụ ezinaụlọ akajiakụ ga-achọ ka ụmụ ha gaa di n'ụdị ezinaụlọ dịka nke ha iji chekwa ogo ha na ugwu ha n'obodo. Ọzọ bụ na ndị nne na nna ga-achọ ka ọ bụrụ ndị otu ha nọ n'ime ya ga-alụ ụmụ ha ka ezinaụlọ ahụ bụrụ nke a ga-echekwa/kpuchie iji zere mmebọ, asịrị maọbụ ịkpọ aha ọjọọ. O sikwa na ndị nne na nna na-ejikwa oke akpịrị ego na ihe ndị ha ga-enweta n'aka ọgọ ha nwoke ka ha jiri mee ọnụ ma bulie onwe ha elu n'ogo ha chọrọ n'obodo ahụ duhie ụmụ ha.

Heinonen tụkwasịrị na nke a sị na ndị na-abịa ije ọlụlụ nwaanyị na-esi n'ụzọ dị icheiche ekwe nkwa elu na ala ma na-enyekwa ndị nwe nwa ahụ ọtụtụ onyinye iji nweta ihe ha na-achọ. Ha na-eme nke a site n'itinye ike ha na oge ha niile iji nweta ihe ha na-achọ. Ọ sịkwa na o nweghị ịhụnanya na-adị n'ụdị alụmalụ dị otu a kama ọ bụ ọdachi na ọnwụ ike bụ ihe na-adịkarị na ya.

Tew (2012) n'uche nke ha, kọwara nkwabanye n'alụmdinanwunye dịka nke a manyere mmadụ amanye n'ụzọ iyiegwu, nchakasị anya akaike na ndị ọzọ nke onye ahụ na-achọghị. Ha sị na ọnọdụ a na-egbochi mmadụ nnwereonwe na obi ụtọ

n'ezinaụlọ ahụ. Tahiri (2015) kwukwara na a ga-enweriri ezi nkwenye n'etiti ndị na-alụ onwe ha.

McCabe (2022) kwenyere na a na-akwabanye mmadụ n'ọlụlụ di nke ọ na-enweghị nkwenye na mmasị na ya. Nke a pụtara na ọlụlụ di ụmụaka erughị eru niile bụ nkwabanye ka e mere ha. Ọ kọwara na ọ bụ n'ihi na ha enwebeghị ikikere iji aka ha kpebie etu ha siri chọọ ịhọrọ onye ha chọrọ; ma gbakwụnyekwa na o nwere ike ịdị na nwoke maọbụ na nwaanyị.

N'ajụjụ ọnụ a gbara Maazị Obumneke Uchebiụwa (Juun, 3, 2023), ọ kọwara na ya manyere nwa ya nwanayị dị afọ iri na isii amanye ka ọ lụọ di na-agbanyeghị na ọ masịghị ya. Ọ sị na:

> amanyere m nwa m nwaanyị bụ Obiageri amanye ka ọ gaa di n'aka otu Akajiakụ dị afọ iri asaa na ise na-ewu ewu n'ihi abụ m ogbenye ọnụ ntụ. Ọ bụ ka nwoke ahụ mee m ka m bụrụ ọgaranya dịka o kwere na nkwa n'agbanyeghị na ọ kaala nka.

Iji kwado nke a, Adedokun (2012) chọpụtakwara na ọ bụ ụmụaka ụmụagbọghọ na-asabeghị anya ka a na-akwabanyekarị n'ọlụlụdinanwunye iji mezuo ebumnobi ndị mụrụ ha maọbụ ndị na-elekọta ha. Ọ sịkwa na ndị nne na nna, ikwu na ibe na-eji oluike, oke mba, iyiegwu nakwa inye iwu na ọnọdụ jọgburu onwe ya na njọ amanye ụmụaka ka ha lụọ din a-abụghị mmasị ma. Ọzọ bụkwa na ha na-akpọnye ụmụaka ndị okenye nwoke bụ Akajiakụ ndị merela agadi.

N'aka nke ọzọ, otu nwaanyị (Obiọha 2023) kọwapụtara site n'ajụjụ ọnụ a gbara ya sị na ụfọdụ alụmdi a kwabanyere akwabanye na-abụ maka ịkwaso iko n'ike n'ebe ụmụaka ụmụnwaanyị dị nke na-ebutere ha ịtụrụ ime ọkwa. Nke a na-eme ka ndị mụrụ ha jụ ha ma chụpụ ha ka ha gakwuru onye tụwara ha ime ahụ. Ọtụtụ mgbe ụfọdụ anwụọ n'ihi elezighị ha anya maọbụ gbapụ na di n'ihi oke mkpagbu di ebe ahụ.

A bịa n'uche Ernest na Harriet (1951:27-37), ha kpọrọ ọnọdụ dị etu ahụ ọdịda maọbụ ngharịpụ nke alụmdi na nwunye n'ihi enweghị ịhụnanya, nnagide na ndidi n'etiti di na nwunye.

Iji gbanaha ọdịda maọbụ ngharịpụ nke ọlụlụ di na nwunye a ka Moore (1985) jiri kwado ka e nwee nkwekọrịta na ngakọrịta n'etiti nwaokorobịa na nwagbọghọbịa ndị hụrụ onwe ha n'anya *courtship* tupu ha alụwa onwe ha. Ọ kọwara kọtụshiipu dịka oge ndị chọrọ ịlụ onwe ha ji agakọrịta tupu oge ọlụlụ ha eruo, maọbụkwanụ nkwekọrịta ọnụ nke e hiwere maka alụmdi nke ga-adị naanị nwa mgbe. Nke a ga-eme ka alụmdi ahụ ghara inwe ọdachi maọbụ ọgbaghaara ọbụla.

N'ịkwado nke a, Basden (1982) kwuru sị na malite ụbọchị nwoke na nwaanyị bidoro chebe maka onwe ha, ihe na-abịakarị ha n'uche bụ etu ha ga-esi lụọ di na nwunye. O kwukwara sị na ha ga-eji oge a matakwa maka ezinaụlọ ha abụọ ma sonye n'ịga ozi nke ezianụlọ ndị ahụ.

**Nkenke Akụkọ Banyere Akwụkwọ E ji mee Nchọcha**

***Ụkpaka Mịịrị Onye Ụbịam* (Ubesie, 1981)**

N'akwụkwọ nke a, otu nwokorobịa bụ Amadi na Chinyere hụrụ onwe ha n'anya ma kwekọrịta na ha ga-alụ di na nwunye. Na mbụ, nne na nna Chinyere nabatara nke a wee kwado ha. Mana nna Chinyere bịaziri hụ ihe ka ubi wee ree ọba.

O nwere otu agadi nwoke gbara isiawọ aha ya bụ Emeodi nke bụkwa Akajiakụ. Ọ bụ onye akụnaụba ya na-ewu ewu. O nwere isinkwọcha ma jọkarịkwaa udele na njọ. Ọ hụtara Chinyere ma bido ịbịakwute nna ya ma na-enyekwa ya ọtụtụ onyinye dị icheiche ka o wee nweta obi ya n'ebe nwa ya nwaanyị nọ. Nwoke a kwere nna Chinyere nkwa na ọ bụrụ na o kweta ka ọ lụọ nwa ya na ọ ga-arụrụ ya ezigbo ụlọ ma mekwaa ka ọ baa ọgaranya nakwa ịzụrụ ya nwa ya n'akwụkwọ ruo n'ogo ọ chọrọ.

Ha eriela ihe ebule ji bụrụ nwoke ma jidezie ibi ụgwọ. Ha matara na Chinyere agaghị ekwe anabata agadi nwoke ahụ n'ihi na ọ kaala nka jọọkwa oke njọ nke ka njọ, bụ na ya na nna Chinyere ga-abụ ọgbọ. Ha ekweghị anabata ihe Chinyere na-agwa ha maka ha ma na ọ bụ Amadị ka ọ chọrọ ịlụ. Nna ya bidoro were oke mba, okwu ọjọọ na olu ike na-agba ya mmiri ụka n'afọ. Nna ya nyekwara ya iwu ka ọ ghara ịkpọkwa ya nna ya ọzọ ma ọ jụ ịlụ Akajiakụ ahụ.

Ọnọdụ a niile mere ka Chinyere nọrọ n'oke echiche na ibe akwa, obi ọjọọ, erighị nri nakwa ehighị ụra na obi ikoro n'elu, nke mere ka o kpebie na kama ọ ga-alụ agadi isiawọ ahụ, ebe ọ nwụrụ anwụ ga-akara ya mma.

Oge Maazị Emeodi mechara ihe n'isi Chinyere, kpọrọ ya laa, obi ya ka dịkwa ebe Amadị dị nke mere na ya na ya ka na-emekọ. Emeodi na-aga eleta Chinyere n'ụlọ akwụkwọ ha nke na-eme ka ụmụakwụkwọ ibe ya na-achị ya ọchị na-emekwa ya akaja. Nke a na-eme Chinyere ihere na obi mgbawa.

N'ikpeazụ, a hụziri ozu Chinyere ebe ọ tọgbọrọ ma o nweghị onye maara kpọmkwem ihe gburu ya. Nna Chinyere nwụkwara ọnwụ ike n'ihi ọnwụ nwa ya Chinyere.

***Akpịrị Richie Ụzọ*; (Obidiebube, 2009)**

Somtoo na Ụzọma hụrụ onwe ha n'anya oge ha nọ na Mahadum ma kpebie na ha ga-alụkọ di na nwunye ma ha gụchaa akwụkwọ. Amadị na Ugodiya bụ nne na nna ụzọma nwere nchekwube na nwa ha nwaanyị ga-alụta di bụ Akajiakụ ka ha wee site na ya baa ọgaranya . Ha bidoro kpọtawara ụzọma ụmụnwoke ndị bụ ide ma na-amanye ya ka ọ lụọ otu n'ime ha nke ga-eme ka ụzọ ha mepee iji mezuo ebumnuche ha jiri maka ya gụọ ya aha "ụzọma". N'ime ha niile o nweghị nke obi ya nabatara. Ọ gwara ha na ọ dịlarị na mbụ họrọ Somtoo ka ọ bụrụ onye ga-alụ ya.

Nne na nna ya bidoro chịrị warawara na ntakasị ahụ wado nwa ha nwaanyị n'ahụ tinyere oke mba, iwe nakwa anya nchakasị. Ọnọdụ a mere ka obi koro ụzọma n'elu, ahụ edokwaghị ya. Onwe ya anaghị atọkwa ya ụtọ, ya na iwe na ọnụma na-agbazi mgba nke mere ka ọ na-atazi ahụ.

Ndị mụrụ ya gwara ya na ọ ga-alụrịrị onye nke ha chọrọ. Ha kpọtara otu nwoke ji ego aha yabụ Akuebuo. Ha manyere nwa ha nwaanyị na ọ ga-alụrịrị ya maka na ọ bụ Akajiakụ, onye ga-enyeju ha afọ ma buokwara ha ibu ezinaụlọ n'ihi na ọ bụ ego bụzi okwu a kpụ n'ọnụ ugbua.

Ụzọma mere ka o doo ha anya na nwoke ahụ abụghị obi ya ịlụ maka o nweghị ịhụnanya ọbụla na ya, kama ọ bụ Somtoo ka ịhụnanya tọrọ ute biri n'etiti ha abụọ. Nke a mere nna ya jiri were oke iwe maa ya ụra ma gwa ya na ọ bụrụ na ọ jụ ịlụ ọgaranya nwoke ahụ, na ọ gaghịkwa abụ nwa ha ọzọ, ya bụ na ha ga-ajụ ya.

N'ikpeazụ, ụzọma mechara kwenyere nne na nna ya mana o jighị obi ya kweta ịlụ nwoke ahụ maka o nweghị ịhụnanya ọbụla na ya. Mgbe nke a gachara, ụzọma na Somtoo ka na-emekwa ọyị n'ihi oke ịhụnanya ha nwere n'onwe ha.
N'ihi na o nweghị ịhụnanya n'ebe Akuebuo bụ di ya nọ, ọ gara na be dibịa gwọọ ọgwụ were tinyere di ya na nri iji gbuo ya ka ọ nwụọ, ka ọ pụọ ya n'ahụ. E mere ka ọ saa asịsa maka arụ ahụ o mere n'ebe di ya nọ ma chụpụ ya n'obodo ka ọ ghara inwe ihe ga-ejikọtakwa ya na ndị obodo ahụ ọzọ.

***Adaakụ*: Mogbọgụ (2011)**
Anyị gụtara n'ime akwụkwọ a na otu nwoke aha ya bụ Emeribe mụtara ada ma gụọ ya Adaakụ. Ebumnuche o ji gụọ ya aha a bụ na o nwere olileanya na ọ ga-alụta di be Akajiakụ onye ọ ga-esite n'aka ya wee baa ọgaranya. Nwoke a na nwunye ya bụ Nwajimalụ ekpebiela na ọ bụ otu agadi nwoke bara ezigbo ọgaranya aha ya bụ Chiifu Ibekwe ga-alụrịrị nwa ha bụ Adaakụ n'ihi na ọ bụ ide.

Adaakụ mere ka nne na nna ya mara na o nweelarị onye ọ họrọla ka ha abụọ bụrụ di na nwunye, aha ya bụ Chukwusolu. Ha abụọ hụrụ onwe ha n'anya nke ukwuu. Na mbụ nne ya kwenyeere ya ma n'ikpeazụ ha abụọ afachie nti ha n'ihe Adaakụ nwa ha na-agwa ha. Ha mere ka Adaakụ mata na site n'ụbọchị a mụrụ ya ka ha ji nwee nchekwube na olileanya na ọ bụ n'aka ya ka ha ga-esi enweta akụnaụba ha enwebeghị na ndụ ha.

Mgbe Emeribe na nwunye ya chọpụtara na Obi Adaakụ adịghị n'ebe agadi nwoke ahụ bụ Akajiakụ dị, ha malitere busowe ya agha. Ha bidoro menyewe ya egwu site n'iji oluike, oke mba na ọgụ, ekweghị ya ṅụrụ mmiri tọgbọ iko nakwa inye ya ọnọdụ ọ gaghị anagidenwu n'ụlọ ha. Ihe a niile bụ ụzọ ha ji chọọ ịkwabanye ya ka ọ lụọ onye na-abụghị obi ya. Ha na-agwa ya okwu ọjọọ ma na-enyekwa iwu karịrị ya. Otu ụbọchị, nna ya mara ya ezigbo ụra ma nye ya iwu ka ọ họrọ ọnwụ na ndụ ọ bụrụ na ya jụ ịlụ Chiifu Ibekwe. Nke ọzọ bụ na ọ ga-apụrụ ha n'ụlọ maọbụ nne, nna nakwa ụmụnne ya apụọrọ ya.

Ugbua mmiri ejula awọ ọnụ. Ihe ka nte abịakwutele ya n'ọnụ. Adaakụ hụtara onwe ya dị ka onye a jụrụ ajụ nke mere ka o kwenyere ndị mụrụ ya. Adaakụ emeela uche nne na nna ya site n'ịlụ onye bụghị obi ya nke ịhụnanya na-adịghị n'etiti ha abụọ n'ihi a kwanyere ya akwanye. Obi ya ka dịkwa ebe Chisolu dị, ha na-emekọkwa. Ọ sara asịsa maka ịgba n'ezi.

**Ntọsasị ihe a gụtara**
A tọsasịrị ihe a gụtara gbasara nkọabanye n'ọlụlụ di na nwunye site n'akwụkwọ atọ ndị e jiri mee nchọcha a iji wepụta okwu a kpụ n'ọnụ. A chọpụtara na ọtụtụ nsogbu na-apụta ihe n'ebe di na nwunye na-ejighị obi ha lụrịta onwe ha n'ihi na a kwanyere ha akwanye. Ọ bụ eziokwu na ọ dịghị ọlụlụ di na nwunye na-atọ ka mmanụ aṅụ ruo n'isinjedebe, ma nke na-aka njọ bụ nke a kwabanyere mmadụ n'ime ya n'ihi na o nweghị ịhụnanya dị n'ebe ha nọ. Naanị ọgwụnauke bụ ihe na-adị na ya. Nsogbu ndị na-apụta ihe n'ụdị alụmdi a gụnyere:

**Ọnwụ na Ịgwọ ọgwụ:** Mgbe mmadụ lụrụ di a kwanyere akwanye, o jighị obi ya gaa di ahụ. O nweghị ịhụnanya dị na ya kama esemokwu na mkpọrọmaasị. *N'ụkpaka Mịịrị Onye ụbịam*, Ubesie kwuruna Chinyere chọrọ ụzọ gbuo onwe ya kama ọ ga-anọ ndụ ya na agadi nwoke ahụ bụ Emeọdị ebiri. Mgbe nna ya hụrụ ozu nwa ya Chinyere, ọ banyere n'ime ụlọ ma nwụkwuo ọnwụ nke ya. Odee sịrị:

> … a hụrụ ozu Chinyere n'ụzọ ebe ọ tọgbọrọ . Ọ dịghị onye maara ihe gburu ya…. Mgbe otu onye chọrọ ka e jee kpọpụta nna ya n'ime ụlọ, ihe a hụrụ n'elu akwa bụ ozu nna Chinyere (ihu 147).

Mogbogu (2011) kwuru n'akwụkwọ Adaakụ sị na Adaakụ nọgidere n'obi ọjọọ na ume erughị ala cheta na ọ ga-egbu di ya bụ Maazị Ibekwe iji kpuchie ọhanaeze ịmata ihe ọjọọ o mere. O jere were ọgwụ tinyere di ya na nri nke o riri wee nwụọ pịị. N'ebe a ọ sịrị:

Adaakụ: O nwere otu ọgwụ m zụtara na nwa mgbe gara aga n'aka ndị na-ere ọgwụ oke maka oke dị be m, …

> Aga m ejizi ya chụọ anụ ọhịa ahụ mụ na ya bi n'ụlọ a bụ Ibekwe n'ihi na amaghị m ya na oke onye ka enye m nsogbu n'ụlọ a na onye ka mma ya na mmadụ ibi n'ụlọ (ihu 68-69)

Ka nwoke a lọtara, obi afụọ ya na ọ ga-eri nri nwunye ya dosaara ya ma ọ maghị na ọ bụ ọnwụ na-akpọ ya ọkụ. Ka o risiri nri ahụ, agwọ na ihe o loro atọgbọrọ. Odee sịrị

> Ka Adaakụ na-akọsara ha ihe a, Ibekwe kuru ume ikpeazụ wee nwụọ… (ihu 71-72).

Ọzọkwa, n'akwụkwọ *Akpịrị Richie Ụzọ*, Obidiebube kwuru na ụzọma chọrọ ụzọ ka o gbuo di ya bụ Akuebuo maka na ọ hụghị ya n'anya. Ọ gara na nke onye dibịa weta ọgwụ lọta tinyere di ya na nri ka ọ nwụọ. Ọ sịrị:

Ụzọma: … m ga-ememiila anụ ọhịa a ka nke ya gaa (o jkwara ga na be dibịa weta ọgwụ lọta nọdụkwa ala tupu diya alọta. (ihu 84-85).

O tinyeere di ya ọgwụ ahụ na nri ka ọ nwụọ. O bidoro gbọwa ụfụfụ ma na-etikwa mkpu.

Odee sịrị: "Akụebuo na-agbọsịsị ụfụfụ n'ọnụ. Ha eburu ya pụọ" (ihu 86-87)

**Akwụna/Ụkwụ Nganga**

Nwaanyị lụrụ di kwesịrị ịchịba ụkwụ ya n'ụlọ ma lekwasị naanị di ya anya. A bịa n'ebe Adaakụ dị, nke a abụghị maka ya. Odee sịrị na anya tọrọ ya n'ama ebe ọ nọ n'ụlọ di ya. Ọ ka na-agakwụ Chisolu ha na-eme enyi. Enyi ya nwaanyị dọrọ ya aka na ntị ka ọ kwụsị ịgakwuru Chisolu ebe ọ bụ na ọ lụọla di.

Njoku nwanne di Adaakụ gbaara nwanne ya nwoke ama ihe nwunye ya na-eme ma ọ gaa njem. Ọ sịrị:

Njoku: …Isiokwu mbụ na o nwere ụdị njem ọ na-aga na-adịghị mma.

> … jụọ ya ihe jikọrọ ya na nwata nwoke nwa Udoye n'Amaụtụtụ.
> Ana m ahụkarị ya be gị tụmadị ma ị gawa njem (ihu 58).

Mogbogu (2011) kwuru na di ya chọpụtara na nke a bụ eziokwu bido kụwa ya ihe ma na-akpọkwa ya "anụ ọhịa, ọnọ na di a chọ di. Akwụla mmụọ" (ihu 6 -65)

N'otu aka ahụ, Ubesie kọwakwara na anya tọkwara Chinyere n'ama. Ọ ka na-agakwuru Amadị onye nke ọ hụrụ n'anya ka ha na-eme enyi.

Oge Maazị Emeodi lụchara Chinyere ya na Amadị ka na-agakọrịtakwa. Amadị na-aga ahụkwa ya n'ụlọ akwụkwọ kwa mgbe (ihu 93) nke a bụ maka Chinyere kwere ya nkwa na ọ gaghị ahapụ ya aka. Ha ka na-eme enyi.

Obidiebube (2009) gosikwara ụkwụ nganga a n'ebe ụzọma dị site n'ikwu na ọ ka na-agakwuru Somtoo na-agbanyeghị na ọ lụọla di. Ama bịara gbaara di ya sị

Ugokwe: E kwuru na ụkwụ na-aga wara wara na anya na-ele zara zara na-ahụ ya. O nwere nwata okorobịa dị n'ọgbọ nwunye gị m na-ahụ na be gị ma ị gaa ahịa. Ihe m ji ekwu abụghị ka ị chụlaa ya kama ka ị gbaara ya bụ ụzọ Owere mgba ka o chie, ka gị na mmadụ ghara ịdị na-alụ nwunye nke aka gị ka ọ ga-abụ ọ dị ime, ọ bụrụ naanị gị tụbara ya ime (ihu 75).

Di ya bidoro kụwa ya ihe kpọwa ya akwụla mmụọ, onye arụrụala (ihu 82)

**Ịsa Asịsa**

N'ala Igbo onye ọbụla mere arụ na-asa asịsa dịka obodo ụfọdụ na-eme iji kọọrọ ọha obodo arụ onye ahụ mere. A na-ata onye ahụ ahụhụ ma mee ya akaja n'ụzọ dị iche iche, mapụ ya n'iwu maọbụkwanụ chịpụ ya n'obodo ahụ. Anyị hụrụ n'akwụkwọ Adaakụ na e mere ka Adaakụ saa asịsa maka ihe ọjọọ o mere site n'igbu di ya. A kụrụ ogene, kpọkọọ ndị obodo niile, ụmụnna, ụmụọkpụ, ụmụaka, okoro na agbọghọ ka ha pụta were anya ha hụ ma werekwa ntị ha nụrụ. Igwe obodo ahụ kwuru okwu oge a kpọpụtara Adaakụ sị:

Eze Afụrụkwe: ….Ị kparịala onwe gị, mee onwe gị anụọhịa, n'agbanyeghị akwụkwọ niile ị gụrụ. Ị ga-ahapụ obodo a ozugbo were ya sọọrọ anyị nsọ na ndụ gị. O nweghị ihe ị ga-eji apụ. I nwere ike gaa obodo ọzọ masịrị gị kama ka anyị ghara ịhụ ụkwụ gị abụọ ọzọ n'obodo a. Ọ bụrụ na ị nwụọ, anyị achọghị ịhụ ozu gị (ihu 87).

Otu a ka Obidiebube (2009) kwukwara na e mere ka Uzoma saa asịsa maka arụ nke o mere n'ihi ọ na-ahapụ di ya na-agakwu nwoke ọzọ. Igwe na-achị obodo ahụ kpọkọrọ ọha obodo wee na-agwa ụzọma okwu:

Igwe: Nwaanyị ị hụlanụ ihe I mere onwe gị. … A gwa gị chịba ụkwụ n'ụlọ ị sị na iji ụkwụ ebi ụkazị kaara gị mma. Ihe i mere jọgburu udele sigbuo nkakwụ. Ugbua ị sara asịsa, ọhanaeze amarala ka mmiri siri baa n'opi ụgbọgụrụ. Dịka ọ dị n'iwu obodo anyị a, nwaanyị sara asịsa ka ị bụ. Ị ga-ewere obodo a sọọrọ anyị nsọ. Anyị achọghị ịma ebe ị na-aga site taa gawa, ka aja si n'ụkwụ gị ghara imetụ n'ala a (ihu 106).

E mekwara ya akaja, metọọ ya menye ya ihere, ya ekpuru nkata n'ihu. A chụpụkwara ya n'obodo ahụ.

N'akwụkwọ *Akpịrị Richie Ụzọ*, e mere ka anyị mata na Somtoo nwere obi mmapụ oge ọ nụrụ na Uzoma ahapụla ya ga lụọ onye ọzọ. Nke a mere ka o nwee ọbara mgbalielu nke mere e jiri kpọga ya ụlọọgwụ (ihu 62).

Ọzọkwa, a gwara anyị n'akwụkwọ Adakụ na Chukwusolu nwekwara obi mmapụ na ọbara mgbalielu oge ọ nụrụ na Adaakụ ahapụla ya gaa lụọ nwoke ọzọ. O nwetakwara onwe ya n'ụlọọgwụ (ihu 45).

**Mkpọrọmaasị/enweghị ịhụnanya:** Nke a pụtara ihe n'ebe Adaakụ nọ. Adaakụ enweghị ịhụnanya ọbụla n'ebe agadị nwoke ahụ nọ. Ọ kpọchara ya asị karịa nshị ọ nyụrụ maka ọ bụ nna ya kwanyere ya ịlụ nwoke ahụ. O jighị obi ya lụọ ya. Nke a mere o ji si:

> …. E wepụ na nne m na nna m kwanyere m ịlụ di agadi nwoke a n’ihi ego mmụọ. … O nweghị ihe o mere na-adị m mma n’ihi na o nweghị ịhụnanya dị n’etiti anyị (ihu 52).

Nke a mere na Adaakụ enweghị udo na obi iruala kama ọ bụ oke echiche na mgbakasị ahụ ka o ji biri ebe ahụ.

N’ebe Chinyere nọ, Ubesie mere ka anyị mara na o kpebiri na ndụ ya na ọ kpọrọ dị ya asị nke ukwuu. O were kwupụta etu obi dị Chinyere sị:

> Ma Chinyere jiri aha mmụọ na mmadụ, ndị dị ndụ na ndị nwụrụ anwụ wee ṅụọrọ onwe ya iyi, na kama ya na Maazị Emeodi ga-ebi n’ụlọ sị na ha bụ di na nwunye, ya esoro udele jee rahụwa n’elu osisi, mmiri mawa ya na Udele (ihu 85).

Chinyere gakwara n’ihu gosipụtakwa na ọ hụghị nwoke ahụ n’anya kama ọ bụ nna ya kwabanyere ya. O wee sị nke a tupu ọ nwụọ:

> Nke ka njọ bụ na o nweghị mgbe m jiri hụ nwoke ahụ n’anya. O nweghị mgbe o ji bụrụ uche m na ọ ga-alụ m. Nna m ejirila akpịrị ego were kwanye m isi n’ọnwụ (ihu 144).

Chinyere nọ naanị n’oke iwe na obi mgbawa kemgbe nna ya kwanyere ya n’alụmdi na-abụghị obi ya.

N’ebe Ụzọma nọ, o nwekwaghị ịhụnanya n’ebe di ya nọ karịa mkpọrọmaasị. N’akwụkwọ Akpịrị Richie ụzọ, odee kọwara etu obi ụzọma si wee dị njọ wee sị:

> Ahụghị m ya n’anya (ihu 49). Ọzọkwa ọ sịrị:
>
> Ụzọma: M lee nwoke a anya iwe eju m obi. Enweghị m otu mkpụrụ ihunanya n’ebe ọ nọ. O nweghị ihe o mere dị m mma (ihu 70).

**Mkparị na ihere:** Ubesie kọwara na ihere na-emekarị Chinyere ma ya na di ya soro na-aga n’ụzọ n’ihi ọ bụ agadi nwoke nke isiawọ juru n’isi. Nke ọzọ bụ na ọ bụ ebiri nna ya (ihu 84-85).

Ọzọkwa bụ n’ụlọakwụkwọ ebe Chinyere na-agụ, ụmụakwụkwọ ha na-eji maka di ya akparị ya na-akọkwa ya ọnụ, ọ bụladị na-agba asịrị ma na-asọkwa ya oyi maka ọ lụrụ di agadi nwoke. (ihu 84-85) nakwa (ihu 124).

N’otu aka ahụ, n’ebe Ụzọma nọ, di ya na-emekwa ya ihere maka ọ kaala nwekwaa isiawọ. N’aka nke ọzọ, ndị agadi lụrụ ụmụaka ndị a na-enweta mkparị n’aka ha. Ha na-ewe ma na-akpọkwa ha anụọhịa.

**Nchịkọta**

Site na nchọcha a, anyị achọpụtala dịka ọ gbara ka okwe n’ime akwụkwọ agụmagụ Igbo atọ ndị a họọrọ na ọtụtụ nsogbu na-adapụta n’alụmdinanwunye a kwabanyere mmadụ n’ime ya. Ọ bụkwanụ ndị nne na nna bụ isi sekpụ ntị na nsogbu ndị ahụ niile n’ihi akpịrị ogologo, oke ọchịchọ, anyaukwu na enweghị afọ ojuju n’ihe ndị ha nwere. Anyị chọpụtakwara na n’ime alụmdi a niile, o nweghị nke ịhụnanya dị na ya kama nsọtụ ha abụghị ọnwụ, ọ bụrụ ịgba alụkwaghịm n’ebe ndị na-alụ onwe ha maọbụkwanụ n’ebe ndị mụrụ ha nọ.

A bịa n’ala Igbo taa, ndị nne na nna ụfọdụ ka na-achọtara ụmụ ha ndị ga-alụ ha karịa ịhapụ ha ka ha jiri aka ha chọrọ onye ka ha mma. Site na nchọcha a, anyị hụrụ na ndị a kwanyere akwanye n’alụmdi enweghị ịhụnanya na obi ụtọ ọbụla n’etiti ha na onye na-alụ ha. Nke a mere ha jiri chee echiche otu ha ga-esi gbuo di ha maọbụ onwe ha. Nke a weteere ha mmebo na mmetọ n’etiti ọhanaeze site n’ime ka ha saa asịsa ma chụpụkwa ha n’obodo.

**Ntụziaka**

Ọ dị mma ka ndị nne na nna hapụ ụmụ ha ka ha gaa di n'aka ndị hụrụ ha n'anya ebe ọ ga-enwe udo. Ka ha hapụ iji akpịrị ego na oke ọchịchọ a kwanye ụmụ ha isi n'ọkụ n'ihi na ego abụchaghị ihe niile. Hapụnụ ịgba ọsọ aracha mkpịsịaka maka a anghị afanye ya n'elu. Ọ ka mma ka e were nwayọọ rachawa ofe dị ọkụ.

Ọ dị mma ka a hapụ ụmụaka ụmụnwaanyị ka ha chọta onye bụ ọgbọ ha maọbụ gaara abụ ọgbọ ha karịa ịmanye ha ka ha lụọ di agadi nwoke. Nke a ga-eme ka ụkwụ tọ ha n'ama ebe ha chọrọ onye maara ihe ekwe na-akụ n'ihe banyere ije lọọvụ.

N'otu aka ahụ, ana m arịọ ndị gọọmenti ka ha tinye iwu ga-egbochi ịkwabanye mmadụ n'ịlụ onye na-abụghị obi ya iji gbochie nsogbu ndị juru na ya maka nke a ga-eme ka ndị nne na nna hie asaa n'anya.

Nchọcha a ga-eme ka ọgbọ ugbu a mata na ịlụ di na nwunye bụ ihe mmadụ ga-akpachapụ anya chezie echiche nkeọma tupu ọ lụwa maka di abụghị enyi nke onye chọọ, ọ hapụ.

Ọ ga-eme ka ndị mmadụ (Igbo) mata na iji akpịrị ego akwaba ụmụ ha na di nwere ike iwetara ha nsogbu dị icheiche nakwa n'ebe ha onwe ha dị nke nsọtụ ya abụghị ọnwụike ọ bụrụ alụkwaghịm.

Ọzọkwa nchọcha a ga-eme ka a mata na ọ ka mma ka a hapụ nwata ka o jiri aka ya họrọ onye ya na ya ga-agakọrịta, mata onwe ha nkeọma tupu ha lụọ iji gbanahụ ọdachi maka a sị na mmiri mmadụ kwọsara onwe ya n'ụgụrụ anaghị atụ ya oyi.

**Edensibịa**


Barmes, J.P. (1940). *Contemporary Social Theory*. New York: Holt

Basden, G.T. (1982). *Among the Igbos of Nigeria*. Onitsha: University Publishing Company.

Bendriss, N. (2008). "Report on the practice of Forced Marriage in Canada" http;//www.google.com/search.

Ekwealo, C.C. (1998). *Omenaala na Ewumewu Ndị Igbo.* Onitsha: Palmer Publishers.

Ernest, R.M. & Harriet, M. (1951). "The Social Psychology of Marriage" America Sociological Review, 16: February 1951, Pp. 27-37.

Heinonen, P. (2002). "Early Forced Marriage and Abduction and their Links to Custom/Tradition". Oụford University Centre For Cross Cultural Research For women. Oụford University Press.

McCabe, H. (2022). Forced Marriage as modern Slavery. https://nottingham-lepositoryworktribe.com.

Mogbọgụ, O.B. (2011). *Adaakụ.* Obosi: Pacific Publishers.

Moore, N. (1985). "Nonverbal courtship patterns in Women: Contact and Consequences". Ethnology and Sociology. (6) 237-247.

Obidiebube, J.I. (2009). *Akpịrị Richie Uzo*. Onitsha: Auschaki Int'l Publishers.

Tahiri, T.C. (2015). Forced Marriage Fact Sheet. https:www.tahiri.org>pubs>

Tew, Y. (2012). And they call it puppy love. Young love forced marriage and immigration rules. The Cambridge law Journal, 71(1), 18-21.

Tourangeau, E.R. (2009). *Survey methodology of Families*. New Jessy: John Wiley and Sons Publishers.

Ubesie, T.U. (1981). Ụ*kpaka Mịịrị Onye ụbịam.* Enugu: Nwamife Publishers.

Uchebiuwa, O.D. (2023) Interviwed on May 10th.

Ụzọchukwu, S. (1990). Akanka na Nnyocha Agụmagụ. Obosi: Pacific Publishers.

**Ndị a gbara ajụjụọnụ**

Aha: Maazị Obumneke Uchebiụwa
Afọ Iri isii na ise
Akaọrụ: Onye ọrụ ugbo
Obodo: Ụmụdike dị n'okpuru ọchịchị ọlụ
Ụbọchi: Juun 3, 2023
Aha: Oriaku Angela Ngozi Obioha
Afọ Iri ise na otu
Akaọrụ: Onye ọtụ mgbereahịa
Obodo: Ọgbọ dị n'okpuru ọchịchị Isiala Mbanọ
Ụbọchi: Juun 5, 2023